# MMBILITEN'ỌNWỤ NA NRỊGO N'ELUIGWE NKE KRAIST
## Mak 15:42-47; 16:1-20; Ọlu Ndi-ozi 1:1-11
## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 171 – Nke Ndietiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ganu n'uwa nile, kwusara ihe nile ekèrè èkè Ozi Ọma nkem" (Mak 16:15).**

**Olileanya Agwụwo**

Nime ọtụtụ narị arọ, ndị Ju nọ náeleanya otù Onye gaesi n'etiti ha bilie ịbụ eze dị ukwu. Ha lereanya Onye gaetida ike nke ndị ahụ ná akpagbu ha, wee mee ka ha bụrụ mba nwere onweha ọzọ Jisọs wee bịa náalụ ọtụtụ ọlụebube; ná agwọ ndị ọrịa, náeme ka ndị nwụrụanwụ si n'ọnwụ bilie, were kwa náánị ogbe achịcha ise na azụ olenaole zụọ ọtụtụ puku mmadụ. N'ezie Ọ pụrụ ime ihe niile; Ọ dị kwa ndị kwere wee chee kwa na Onye mgbapụta maọbụ Mesaia abịawo.

Ma mgbe náánị arọ atọ nke ijégharị n'etiti ha náalụ ọlụ ọma gasịrị, akpọgidewo Ya n'Obe; ha na anọgịde kwa n'okpuru ọchịchị nke ndị Rom. Ọ bụ ezie na ọtụtụ enwewo nzọpụta, agbagharawo mmehie ha, ha enwerewo onweha nime mmụọ; ma ha ka chọrọ ọchịchị nke onweha.

O juru ha anya, ha naatụgharị kwa uche n'etiti onweha: Gịnị mere O jiri rapụ ka ndị iro Ya tie Ya ihe? Gịnị mere O ji soro ha rịgo n'ugwu Kalvarị ka ewe kpọgide Ya n'obe? O kwuwo na Ya pụrụ ịkpọ otù legion ndị mmụọozi ka ha bịa nyere Ya aka ma ọ bụrụ na Ya chọọ ime otù ahụ. Ọ bụrụ na nke a pụrụ ime, gịnị mere O sighị n'elu obe rịdata? Olileanya ha eruwo n'isi njedebe – ma ugbu a Ọ nwụwo.

**Emezuru Ihe Edere Ná Akwụkwọnsọ**

Ọ dị otù nwoke nke aha Ya bụ Josef nke Arimatia onye nwewororị olileanya ka Chineke bịa malite alaeze n'ụwa, Ọ ghaghị kwa inweworị mmetụ n'ụfọdụ ụzọ na ọ dị ihe jikọtara ya na Jisọs, ọbụná na ọ bụ ezie na Ọ nwụwo. Anyị anụbeghị na akpọrọ ya aha dịka onye náesoụzọ Jisọs, ma n'oge a, ihere emeghị ya ijekuru Pailat ịrịọ ka arapụrụ ya anụarụ Jisọs ka ya onweya wee nye Ya òlìlì dị mma. Josef bụ ọgaranya o nwekwara ílì dị mma nke o nyere Jisọs n'efu, náemezu amụma nke Aisaia: "Ewe me ka ílì-ya di n'etiti ndi nēmebi iwu, ya na ọgaranya nọ kwa n'ọnwu-ya" (Aisaia 53:9). Ndị náemebiiwu bụ ndị ori ahụ akpọgidere ha na Kraist n'obe, Josef bụ kwa ọgaranya ahụ eliri Jisọs n'ílì ya.

**N'ụbọchị Nke Atọ**

Ndịisi nchụàjà ahụ mara Jisọs ikpé ọnwụ, chetara na O kwuwo na Ya gaesi n'ọnwụ bilie n'ụbọchị nke atọ. Ha ekweghị n'ezie na Ọ pụrụ ibili, kama ha tụrụ egwù na ụfọdụ nime ndị náeso ụzọ Ya pụrụ ịbịa zuru arụ Ya, wee sị na O siwo n'ọnwụ bilie. Ha chọrọ ka Pailat hụ́ na echéré ílì ahụ nche n'ụzọ doroanya, rue mgbe ụbọchị nke atọ gabigara, ka ndị Ju wee ghara imetụ arụ ahụ aka.

Ọ dịghịrị ndị nchụàjà mkpà isogbu onweha n'ihi ndị náeso Ya. Ha échètaghị kwarị na Jisọs ekwuwo na Ya ga ebili ọzọ. Iwe naewe ha nke ukwu na náánị ihe ha naeche bụ na Onye nzọpụta ha hụrụ n'anya arapụwo ha. N'iruuju ha, ha sịrị: "Ma ayi onwe-ayi lere anya na Ya Onwe-Ya bu Onye gaje igbaputa Israel" (Luk 24:21). Ma ugbu a ha chere na ihe niile ahụ agasịwo.

**Mkwà Nke Ndụ**

Jisọs agbaliwo ịdọ ndị náesoụzọ Ya akanántị na Ya aghaghị ịtá ahụhụ, wee nwụọ kwa; ma O kwe kwara ha mkwà na Ya gaadị ndụ ọzọ. Ọ dịwo kwa oge mgbe O mesịrị Nwogha, Ọ gwara Pita, Jemes na Jọn ka ha ghara ịkọrọ onye ọ bụla ihe ha hụrụrị rue mgbe "Nwa nke madu gēsiwori ná ndi nwuru anwu bilie" (Mak 9:9). Ha ekwurịtaworị n'etiti ha: Gịnị ka okwu a O kwuru pụtara, bụ isi ná "ndi nwuru anwu bilie"? N'oge ọzọ Ọ gwara ha na Ya pụrụ itọgbọ ndụ -Ya ma weli kwa ya ọzọ; ma ihe dị otú ahụ emebeghị na mbụ. Òlee ụzọ ha gaesi ghọta okwu dị otú a?

Jisọs agwawo kwarị ndị náesoụzọ Ya, na mgbe Ya bilisịrị n'ọnwụ, na Ya gaezute ha na Galili. Ma ndị náesoụzọ Ya ejéghị Galili ịchọ Ya, n'ihi na ha ejéghị ịhụ́ Ya ọzọ.

**Ekweghị ekwe**

Meri Magdalin na Meri nke ọzọ ahụ́wo ka atọgbọrọ arụ Jisọs n'ílì Josef, wee laa ịkwado ụda dị icheiche ha gaeji tee anụarụ Ya mgbe Ụbọchị izuike gasịrị. Ọ dịghị ọbụná otù mgbe ha chere na Ọ ga apụworị tutu ha abịaghachi.

Lee ka Ọ gaesi bụrụ ha ihe ịtụn’anya mgbe ha bịaghachịrị n’ụbọchị mbụ nke izù náejide ụda ha dị icheiche, wee hụ́ ka ílì ahụ ghereoghe! Jisọs apụworị; ma otù mmụọozi nọdụrụ ala n’ebe ahụ, ịgwá ha sị: “Emere ka O si n’ọnwu bilie; Ọ nọgh n’ebe a” Ezi ákwà ọcha ahụ Josef zụtara eji kechie arụ Kraist tọgbọrọ kwa n’ebe ahụ, nke pụtara na ebe ahụ bụ nnọọ n’ezie ebe eliri Ya. Ozi ahụ mere ka egwù tụọ ndịnyom ahụ, ma ha apụghị kwa ikwere ya.

Jisọs jiri anụarụ yiri mmadụ ọ bụla nwere bilie. Mgbe O zutere Meri Magdalin nime ubi ahụ ha wee kwurịta okwu, nwanyị ahụ chéré na mbụ na Ọ bụ onye náelekọta ubi ahụ anya, wee jụọ Ya ma Ọ bụ Ya bupụrụ arụ Jisọs. Ma mgbe Ọ kpọrọ nwanyị ahụ aha ya, o wee mata mgbe ahụ na Ọ bụ Onyenweanyị. Nwanyị ahụ wee gaa ngwangwa kọọrọ ndị náesoụzọ Jisọs ndịọzọ na ọ bụ ezie na O siwo n’ọnwụ bilie, na ya onweya ahụwo kwa Ya. Ma ha ekweghị ihe nwanyị ahụ kwuru.

Mgbe ihe ndịa gasịrị n’ụbọchị ahụ, ka ndị náesoụzọ Ya mmadụ abụọ naejé Emeus, Jisọs soro ha náejéijè, ha wee kwukọrịta kwa okwu; O wee kwụsị soro ha rie iheoriri. Ọ bụghị mmụọ, kama ọ bụ Jisọs, dị ndụ, n’anụarụ. Ọ naagọzị iheoriri ahụ, tupu ha erie ya, ha wee mata Ya. O wee funarị n’anya ha, ha wee mee ngwa laghachi na Jerusalem ịkọrọ Ndịozi na ha ahụ́wo Jisọs ná ndụ. Ma ndị ha kọọrọ ekweghị n’okwu ha!

**Abaara Ndị Náesoụzọ Ya Mbá**

O metụrụ Jisọs n’obi na ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ikwere - ọbụná Ndịozi Ya – rue mgbe ha hụrụ Ya ná ndụ. Ọ gwawo ha rịị na Ya aghaghị ịnwụ, ma na Ya ga ebili n’ụbọchị nke atọ. Mgbe Jisọs na ndịozi iri na otù zukọtara, Ọ jụrụ ha ihe mere ha n’ekwereghị n’ihe Ya kwuru. Na òlee kwa ihe banyere ihe ndị amụma dere banyere Ya? Ọ bụ na ha apụghị kwa ikwere na nke ahụ? Ò kwesịrị ka egosi ha tupu ha ekwere? Jisọs sịrị Tọmas: N’ihi na i huwom, i kwerewo? ngọzi nādiri ndi akāhugh, ma ha kwere” (Jọn 20:29). Ngọzi ahụ náadịkwasị ụmụ Chineke niile taa ndị náahụbeghị Jisọs n’anụarụ ma kwere na Ọ nwụrụ n’ihi mmehie niile nke anyị wee bilie kwa ọzọ.

**Ọlụ Nke Kraist Nyefere Ndị Ozi Ya n’aka**

Jisọs gwara ndị náesouzọ Ya na Ya alụsịwo ọlụ nke Nna ya nyere Ya lụọ n’ụwa, na mgbe náadịghị anya Ya Onweya gaalaghachi n’Eluigwe ịnọnyere nna Ya. Na mgbe Ya laghachiri, ha onweha gaekwusa kwa ihe Ya Onweya kwusawororị: nchègharị na mgbaghara mmehie. Ha aghaghị ikuziri ụmụmmadụ na Jisọs hụrụ ha n’anya, na ha kwesị kwara ikwere na Ya ka ewee zọpụta ha. Ha aghaghị ikwere na Jisọs nwụrụ dịka àjà achụrụ n’ihi mmehie ha, wee si kwa n’ọnwụ bilie ọzọ.

Agaghị arapụ náání ndị náesoụzọ Jisọs mgbe ha naejé ikwusa okwu Chineke – nime Jerusalem, nye ndị ahụ kpọgidere Jisọs n’obe: nime Samaria, n’etiti ndị ahụ Ndị Ju kpọrọ asị; nime mba niile dị ha gburugburu; nye kwa ndị mba ọzọ bi n’ebe dị anya. Jisọs gaesoro ha jee, soro kwa ha n’ịlịọlụ. “nēme okwu-ha ka o guzosie ike.” Nke ahụ pụtara na Ọ gaagọzi ijéozi ha zọpụta mkpụrụobi gwọọ kwa ndị ọrịa n’ịzá ekpere ha niile, dịka O kweworo ná mkwà.

**Ihe Iribaàmà Dị Icheiche Nke Náeso**

Jisọs sịrị: “Ihe-iriba-ama ndia gēso kwa ndi kwere: n’aham ka ha gāchupu ndi-mọ ọjọ; ha gēkwu okwu n’asusu ọhu di iche iche; ha gāchilite agwọ, ọ buru kwa na ha añụa ihe ọ bula nēbute ọnwu, ọ gagh emeru ha aru ma-ọli; ha gēbikwasi ndi nrianria aka, agēme kwa ka aru-ha di ike” Ọ bụrụ na ihe ịrịbaámá ndịa adịghị eso ndụ anyị naebi dịka ndị Kraist, ọ gaabụ n’ihi na anyị ekweghị ma “asi na okwukwe adigh ọ bu ihe anāpugh ime, bu ime ihe gātọ Chineke ezi utọ” (Ndi Hibru 11:6).

Ọ bụrụ na emeghị ka arụ dị ndị nrịanrịa ike n’ịzá ekpere anyị, ọ bụrụ kwa na agbanweghị ndụ ndị mmehie site n’ijéozi nke mkwusa anyị, ọ gaabụ na ọ dị ihe náekwesịghị ekwesị dị n’okwukwe anyị. Jemes onye ozi dere: “Gosim okwukwe-gi ma ọlu-gi adigh ya, mu onwem gēsite kwa n’ọlum gosi gi okwukwem” (Jemes 2:18). N’ụzọ ọzọ, ọ bụrụ na ị sị na gị nwere okwukwe, gosi ya site n’ọlụ gị dịka mkwà niile Chineke si dị. Okwu Chineke agaghị agabiga n’emezughị, mkwà Ya niile dị kwara ndị kwere.

Jisọs kpere ekpere nye ndị náesoụzọ Ya ka okwukwe ha ghara ịdà. Ọ bụrụ na anyị anọgidesieike n’ịgụ Baịbụl náekpe kwara Jisọs, Ọ gaenye anyị okwukwe nke gaalụpụtara Chineke ihe. Anyị aghaghị ibu ụzọ kwe ka agbaghara anyị mmehie niile nke anyị mgbe ahụ, mgbe obi anyị adịghị ama anyị ikpé, anyị nwere mkwuwa okwu n’ebe Chineke nọ, na Ọ gaanụ mgbe anyị kpereekpere, na anyị gaanata kwa ọ̀zịzá ekpere anyị. “Ihe-iriba-ama ndịa gēso kwa ndị kwere” so nime okwu ikpeazụ nke Jisọs kwuru. Mgbe ahụ O nyere ha iwu ka ha laghachi Jerusalem chéré maka ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, nke gaeme ha ndị àmà jupụta n’ike ebe ọ bụla ha jere. Agaeme ka okwukwe ha dị ukwu karị iji mee ka ihe ịrịbaàmà niile ahụ náeso mkwusa ha.

**Ịbànye n'Igweoji**

Ihe niile agwụsịwo ugbu a. Jisọs esowo ha jèghariạ iri ụbọchị anọ, O nyewo kwa ha iheàmà pụtara ìhè dị icheiche nke gaeme ka ha ghara inwe obi abụọ na Ya Onweya dị ndụ n'ezie, otù Jisọs ahụ Onye nwụwororị n'elu obe. N'ebe ahụ, n'elu ugwu Olivet, ka ndị náesoụzọ Ya guzoro náele anya, eweliri Jisọs elu baa nime igweoji rue n'Eluigwe – O wee laa.

Ndị náesoụzọ Ya guzoro n'ebe ahụ n'ijuanya, ha wee náaleghari anya gburugburu ịmata ebe Jisọs funarịrị. Àga ebibi kwa olileanya ha ọzọ? Ọ gaabụ na Onye ahụ ha hụrụ n'anya alawo ebighịebi? Na mberede ndị mmụọozi abụọ wee guzo n'etiti ha wee sị "Jisọs nka, Onye anapuru n'ebe unu nọ rigo n'elu-igwe, gābia n'otù aka ahu dika unu kiriri Ya ka Ọ nāga n'elu-igwe." Nke a bụ mkwà ekwere na Ọ gaabịaghachi ọzọ, afọ wee ju ndị náesoụzọ Ya. Náenweghị obi abụọ ha chetara ugbu a na Jisọs ekwuworị sị: N'ihi na anamaga idoziri unu ebe. Ọ buru kwa na Mu aga idoziri unu ebe, agajem ibia ọzọ, M'gānara kwa unu nye Onwem; ka unu onwe-unu we nọ kwa ebe Mu onwem nọ" (Jọn 14:2, 3).

Ọ bụ kwa anyị onweanyị dịka ndị Kraist taa, ka Jisọs na agwa nke ahụ. Ọ nọ n'eluigwe ná edoziri anyị ebe, náedozi kwa anyị maka ịbà n'ebe ahụ; otù ụbọchị n'oge náadịghị anya, Ọ gaabịa ọzọ kpọrọ ndị Ya baa n'eluigwe ebe ha gaeketa ngọzi niile ahụ dị ebube O doziwooro ndị niile hụrụ Ya n'anya.

Ugbu a, anyị aghaghị iji obi anyị niile lụọọlụ nye Onyenweanyị, ná anwapụta okwukwe anyị nime Ya site n'ọlụ anyị naalụ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye kpọgidere Jisọs n'obe? ọ bụ kwa n'ihi gịnị?
2. Ònye liri Jisọs? Òlee kwa amụma dị na Baịbụl mezuru?
3. Òlee otú anyị si mara na Meri abụọ ahụ ekwereghị na Jisọs gaesi n'ọnwu bilie?
4. Òlee mmetụ Jisọs nwere banyere otú ndị náesoụzọ Ya si nábata ozi ahụ na Ya Onweya dị ndụ?
5. Kwue oge dị icheiche Jisọs mere ka ahụ́ Ya anya mgbe O bilisịrị.
6. Gịnị bụ ụfọdụ okwu ikpeazụ nke Jisọs?
7. Ọ bụ ònye gaenweta ngọzi niile Jisọs kwere ná mkwà?
8. Ụzọ dị añaa ka Jisọs sị rapụ ụwa a?
9. Gịnị bụ ozi ndị mmụọ ozi ahụ wetara, bụ ndị jekuuru ndị náesoụzọ Jisọs n'eluugwu olivet?